# EMEME NKE ỤLỌ-NTỤ̀
## Levitikọs 23:33-44; Deuteronomi 16:13-17
## IHE Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 88 – Nke NdỊ-etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ezi-onyinye ọ bụla na ihe ọ bula zuru òkè nke enyere enye si n'elu bị a, ebe ọ si n'aka Nna nke ìhè ridata" (Jemes 1:17).**

**Ememe Ikpeazụ̀ Ahụ**

Ememe nke atọ nke bụ kwa nke ikpeazụ nke Chineke chọrọ ka Ụmụ Israel debe bụ nke akpọrọ ememe ụlọ-ntụ̀ ma ọ bụ nchịkọta mkpụrụ. N'ụbọchị iri na ise nke ọnwụ asaa nke ndị Ju ka nwoke ọ bụla na-eché onweya ọzọ n'iru Onyenweanyị. Anyị amụwo ihe banyere ememe nke ọtụtụ izù nke a na-eme n'oge nke owuwe ihe ubi ọka barley. Mgbe owuwe ihe ubi ahụ niile gasịrị, mgbe achịkọtasịkwara mkpụrụ niile nke ala, ha na ezukọ kwa ọzọ maka ememe nke nchịkọta mkpụrụ ahụ. Nke a bụ icheta mgbe ndị Israel biri n'ụlọ-ntụ̀ n'oge nwagharị ha niile nime ọzara, na nke nchịkọta ihe ma ọ bụ ịchịkọbata ihe omume niile nke arọ ahụ.

Ememe nke nchịkọta mkpụrụ ahụ bụ otù nime ememe atọ nke Chineke nyere ụmụ Israel n'iwu ime ncheta ha mgbe dum. N'oge a ha na-ezukọta site n'iweta àjà dị iche iche na itò Chineke, ọ bụghị náání n'ihi ihe O mewooro ha n'oge gara aga kama n'ihi ngọzi niile nke ha nweworo n'oge owuwe ihe ubi ọ bụla mgbe ha chịkọtara mkpụrụ ha nke oge ahụ. Anyị onweanyị agaghị echefu ikele na itò Chineke n'ihi ihe niile O mewooro anyị. N'ihi ngọzi nke oge gara aga na nke oge dị ugbu a, anyị ga-ewere ndụ anyị chụbiga àjà ókè kwa ụbọchị nye Onyenweanyị.

Nzukọta maka ime ememe a bụ ihe yiri mgbe ndị mmadụ na-aga n'ụlọ Chọọchị taa maka nzukọ ọ bụla. Ọ bụ náání ná nzukọ a na-ewere otù izu: ọ bụ ihe dịka nzukọ nke ntute mmụọ. Enyere iwu ahụ n'ụzọ o doro anya otú ha gaesi ná-efe Chineke òfùfè nime ememe ahụ. Ụbọchị mbụ na ụbọchị nke asatọ bụ ụbọchị dị nsọ; ọ dịghị ọlụ ọ bụla a ga-alụ nime ha, ma a na-edebe ha dịka ụbọchị izu-ike. Ụbọchị ọ bụla ha na-edozi àjà pụrụ iche nye Onyenweanyị. N'Ọnụọgụgụ isi nke iri abụọ na iteghete anyị na-agụ ụdị anụmanụ niile – nwa-atụrụ, ọtụtụ mkpi, ọtụtụ ebulu, na ọtụtụ óké ehi – na ọnụ ọgụgụ ha ga-achụ n'àjà nsureọkụ kwa ụbọchị nke izu ahụ. Mgbe anyị na-aga chọọchị, na mgbe ọ bụla anyị na-eche onweanyị n'iru Chineke, ọ dịghị kwa àjà nke anụ ọ bụla nke a na-achọ n'aka anyị. Onyenweanyị na-achọ ka anyị chụọrọ Ya otuto dịka àjà. Ụmụ Chineke na-eto Ya n'abụ̀, n'ekpere, n'ọgbụgba àmà, ọbụná site n'ụzọ ha si aña ntị n'okwu Chineke na ụzọ ha si eme omume n'ụlọ chọọchị.

**Inye Ekele**

Obodo anyị kwa, ewepụtawo otù ụbọchị n'arọ ịbụ ụbọchị inye ekele. Anyị na-akpọ ya Inye-ekele, bụ nke amalitere ọtụtụ arọ gara aga, n'ihi inye Chineke ekele n'ihe oriri nke ụmụ mmadụ kpokọtaworo. A na-ekwu mgbe niile na ụbọchị ọ bụla bụ ụbọchị inye ekele nye nwa Chineke ọ bụla. Anyị achọghị ịbụ ndị ikpé ga-ama n'ihi inye Chineke ekele náání otù ụbọchị nime arọ̀ ma ọ bụkwanụ náání otù ụbọchị nime izu.

N'akwụkwọ Eklisiastis isi atọ anyị na-agụ na ihe niile nwere oge mgbe ịkụ ihe n'ubi, mgbe iropụ ihe akụrụ, mgbe ịkwá ákwá na mgbe ịchị ọchị. Ememe nke ụlọ-ntụ̀ ahụ bụ mgbe itò Chineke na ịchụ ọtụtụ àjà. Mgbe anyị batara n'ụlọ Chineke, ma ọ bụ ebe ọ bụla anyị bịara n'iru Chineke, anyị aghaghị icheta na ọ bụ oge dị óké mkpà, oge dị nsọ, na oge itò Chineke. Anyị na-achọ idebe onweanyị na òfùfè anyị n'ụzọ kwesịrị ekwesị. Anyị na-achọ ijékuru Chineke ná njikere ịchụ ọtụtụ àjà nke otuto na iji obi chụọ àjà.

Àjà niile nime ememe ahụ bụ nke enyere ná-agụghị onyinye niile ná-agụghị mkwà niile ha, ná-agụghị kwa onyinye afọ ofufo niile ha (Levitikọs 23:37, 38). "Nwoke ọ bụla dịka onyinye aka ya sị di, dika ngọzi JEHOVA, bú Chineke-gi, si di, nke O nyeworo gi" (Deuteronomi 16:17). Ụfọdụ mmadụ na-echè na ha emewo ihe ukwu mgbe ha mere ihe kwesịrị ha ime. Ma Chineke na-achọ ka anyị mee ihe karịrị nke ahụ. Ụmụ Israel ka a na-achọ ka ha chụọ àjà ụfọdụ dị iche iche, ma Chineke na-ele anya onyinye dị iche iche na onyinye afọ ofufo n'aka ha. Jisọs gwara ndị ná-eso ụzọ Ya na Luk 17:10 sị, "Mgbe ọ bụla unu gēmesi ihe nile akaworo àkà nye unu, sinu, Ayị bu ndi orù nābagh n'ihe."

**Ịñụrị Ọñụ**

Ndị ahụ ñụrịrị ọñụ nwee kwa obiụtọ n'ihi ngọzi niile nke ihe a na-ahụ́ anya bụ nke Chineke nyeworo ha n'ụdị nke mkpụrụ. Ha tụkwasịrị Chineke obi n'ihi mkpụrụ ọzọ. Ná-enweghị obi abụọ ha chetara oge ahụ ha ná-enweghị ala ịkụ ihe na mkpụrụ ịchịkọta. Anyị onweanyị na-enwe kwa mmetụ itò Chineke mgbe anyị na-agụkọta ọtụtụ ngọzi anyị -- ma nke ime mmụọ ma nke a na-ahụ́ anya. Anyị nwere ike icheta n'oge gara aga mgbe iru ọchị nke nnabata Chineke adịghị abịakwasị ndụ anyị n'ihi mmehie.

Ụmụ Israel kwesịrị ka ha "nụria ọñụ n'iru JEHOVA," ma anyị na-agụ otù ihe a n'ọtụtụ ebe n'Agba Ọhụụ. Anyị na-agụ "Nānya kwa isi nime Kraist Jisus" (ma ọ bụ Nāñurinu ọñu nime Kraist Jisus) (Ndi Filipai 3:3).

“Nāñrinu ọñu n’Onye-nwe-ayi mgbe nile” (Ndi Filipai 4:4). “Nāñurinu ọñu mgbe nile” (1 Ndi Tesalọnaika 5:16); “Ñurianu ọñu na edewo aha-unu n’akwukwọ n’elu-igwe” (Luk 10:20). Ọ dịghị mgbe a na-atụ anya n’ebe Onye Kraist nọ na ọ ga-enwe obi iruuju (ma ọ bụ ọnụma). Nwa Chineke na-añụrị ọñụ ọbụná n’oge ọrịa na mgbe ihe siri ike. Ndị ná-eso ụzọ Ya ñụrịrị ọñụ n’ihi na agụwo ha ná ndị kwesịrị ịhụ́ ahụhụ n’ihi aha Jisọs. Anyị na-añụrị kwa ọñụ n’olileanya ahụ na anyị nwere ohere na nchịkọta ikpeazụ ahụ -- mgbe aga achịkọta ndị nsọ niile laa n’Ebe obibi ha.

Ụfọdụ mmadụ na-etò Chineke ma ha enweghị ọñụ iru ha adịghị egosipụta kwa ọñụ. “Tikusienu Chineke nkpu ọñụ ike” (Abù Ọma 66:1). Anyị na-achọ ime ihe náání itikusi Chineke mkpu ike; anyị na-achọ ime ya n’ọñụ na obiụtọ.

**Ibi n’Ụlọ-ntụ̀**

N’oge ememe nke ụlọ-ntụ̀ ahụ Ụmụ Israel na-ebi n’ụlọ-ntụ̀, ma ọ bụ ụlọikwuu, eji alaka osisi nwere ahịhịa wuo. Ha na-ewere alaka osisi – igu-nkwụ na wilow ka akpọkwara aha.

Ha na-arapụ ụlọ ha wee biri n’ụlọ-ntụ ahụ eji alaka osisi wuo ụbọchị asaa. Nke ahụ bụ ichetara ha mgbe ha biri n’ụlọikwuu n’oge niile nke nwagharị ha nime ọzara. N’ebe ahụ nke ná-enweghị ezigbo ebe obibi, ma Chineke Onweya gbasara igweoji ịbụ ihe ikpuchi ha na ihe iduzi ha ụzọ (Abù Ọma 105:39). Mgbe ha bisịrị ụbọchị asaa ndịa nime ụlọ-ntụ ahụ, ha na-enwe obi ekele n’ihi ezi ebe obibi ha niile. Mgbe ụfọdụ ọ na-adị mma ka anyị cheta otú anyị si bie n’ụlọikwuu nke ajọ omume; mgbe ahụ anyị na-amata ngọzi niile nke anyị nwere site n’ibinyere Onyenweanyị. Ọ na-amasị anyị bụ ihe mkpuchi ahụ, nkasịobi niile na inwere onwe niile nke dị n’Oziọma.

Ụfọdụ mmadụ na-echègbu onwe ha n’ihi ebe obibi ma ọ bụ ụlọ ha n’ụwa nke a mara mma nke ukwuu na ha enweghị ike ịrapụ ha bịa kpeere Onyenweanyị. Anyị chọrọ ka anyị nwee mmetụ nke Pọl nwere mgbe o degaara Ndị Hibru akwụkwọ sị, “N’ihi na anyị enwegh obodo n’ebe a nke nādigide, kama ayi nāchọ obodo ahu nke gaje ibia.” Ọ na-ekwu ihe banyere Eluigwe, obodo ahụ nke Chineke bụ Onyeọ̀kà ya na Onye lụrụ ya. Anyị chọrọ iche uche banyere ebe obibi ahụ nke Jisọs gara idoziri anyị. Anyị chọrọ ịnọ ná njikere ịbụ ndị azọpụtara na ndị jikekwara maka óké nchịkọta nke ụmụ Chineke nke gaje ịbịa mgbe ná-adịghị anya.

**Nke Moses Kwupụtara**

Moses bụ onye kwesịrị ntụkwasịobi n’ikuziri Ụmụ Israel ihe banyere ememe ndịa. n’ihi na ọ bụ Iwu nke ha ga-edebe. Ọ bụghị ndị ndú ha niile kwesịrị ntụkwasịobi nye Ụmụ Israel, nke mere na ha edebeghị ememe nke ụlọ-ntụ a ọtụtụ arọ. Anyị na-agụ na Nehemaia isi asatọ, n’oge eweghachiri iwu a nime obi ha. N’ụbọchị niile nke Nehemaia na Ezra, ha gụpụtara iwu ahụ nye Ụmụ Israel wee mata kwa na ememe nke ụlọ-ntụ ahụ bụ ememe ná-amalite n’ụbọchị iri na ise nke ọnwa asaa.

Ụmụ Israel jiri alaka osisi wuo ụlọ-ntụ wee biri nime ha dịka agwara ha ka ha mee. “Óké ọñụ di uku we di” (Nehemaia 8:17). Óké ọñụ na-adị mgbe ọ bụla mmadụ rubere isi wee mee kwa ihe Chineke chọrọ ka o mee.

Lee otú anyị ga-esi nwee obi ekele n’ihi ndị ndú anyị ndị ná-akụziri anyị ihe niile dị na Baịbụl Ha bụ ndi kwesịrị ntụkwasịobi ịgwa anyị ọ bụghị náání ihe niile Chineke na-achọ n’aka anyị na ihe anyị ga-enye (iji ndụ anyị niile, oge niile anyị, talent anyị niile chụọ àjà) ha na-agwa kwa anyị banyere ohere niile anyị nwere na mkwà niile anyị ga-ekwere na ha bụ nke anyị. Ka anyị bụrụ otù nime ndị ngọzi nke Chineke ga-adakwasị ná ndụ ha n’ihi irube isi. Jisọs gwara ndị ná-eso ụzọ Ya sị, “Ọ buru na unu matara ihe ndịa, ngọzi nādiri unu ma asi na unu nēme ha” (Jọn 13:17).

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Òlee ememe nke a na-eme n’oge owuwe ihe ubi nke ọkà wheat?
2. Òlee ememe nke a na-eme n’ọgwụgwụ owuwe ihe ubi?
3. Kpọọ aha ọzọ a na-akpọ ememe nke ụlọ-ntụ ahụ.
4. Gịnị mere oge a ji bụrụ oge ịñụrị ọñụ?
5. Òlee oge ọzọ ejiri ịgu-nkwụ n’oge ndị mmadụ na-etò Onyenweanyị?
6. Gịnị mere ha ji biri n’ụlọikwuu ma ọ bụ ụlọ-ntụ?
7. Òlee óké nchịkọta ọzọ nke gaje ịbịa?